# ILU IGBO N'ỌNỌDỤ DỊ ICHE ICHE NA NKỌWA YA

**Onyinye Ifeyinwa Onwudiwe**
onyiemmy@gmail.com
0808749932
Na
**Prof. Nonyelum. J. Moghalu**
nj.moghalu@unizik.edu.ng
08064444837

**Ụmịedemede**
*Ụfọdụ ndị mmadụ ọkachasị ụmụaka na-etolite etolite amaghị ihe ekwe na-akụ n'ihe gbasara ilu Igbo n'ihi na ọtụtụ ndị nne na nna leghaara asụsụ a mụnyere nwata na ya nke Bekee kpọrọ "mother tounge" anya ma were asụsụ bekee na-akụziri ha ihe. A bịa n'amụmamụ asụsụ Igbo maka ndị Praịmarị na Sekọndịrị, e nwere nkeji ụtọasụsụ kwụụrụ onwe ya kpọmkwem maka ịkọwa ilu Igbo mana ụfọdụ ndị nkụzi anaghị ewepụta oge akụziri ya ụmụaka nke ihe kpatara ya nwere ike bụrụ na ha amaghị ihe gbasara ilu Igbo. Ọ bụ nke a kpalitere mmụọ ndị nchọcha n'ime nchọcha a n'ihi na ilu Igbo dị nnukwu mkpa na ndụ ndị Igbo; nke a mere e ji ekwu na "ilu bụ abụbọ ndị Igbo ji eri okwu". Edemede a ga-eleba anya n'ụfọdụ ilu Igbo na nkọwa ha dịka ngwa nzipụta echiche miri emi. Ndị nchọcha gbasoro usoro sọvee wee chịkọba ihe ha jiri mee nchọcha ha. Ọtụtụ ndị mmadụ amaghị ihe ekwe na-akụ n'ihe gbasara ilu Igbo ọkachasị ndị na-etolite etolite n'ihi enweghị mmasị n'asụsụ Igbo ebe ụfọdụ na-eleda ya anya. Ụfọdụ ndịnkuzi na-enyekwa ụmụakwụkwọ ha ntaramahụhụ maọbụ pịa ha ihe n'ihi na ha sụrụ asụsụ Igbo. Agwa dị otua wee bụrụ nnukwute ihe mkpọbi ụkwụ nye otuto na mgbasa asụsụ Igbo na ilu Igbo. Nchọcha a ga-aba nnukwu uru nye ndịnkụzi, ụmụakwụkwọ n'ogogo dị iche iche, ndị nne na nna nakwazị ọhanaeze. Ọ ga-enyekwara ndị odee aka ịchịkọba na ịhazi edemede ha site n'iwebata ilu Igbo n'ebe ọ dabara nke ọma n'edemede ha. Dimkpa na-abụ ọ taa akị, a hụ ichara ya, onye sịrị gị ikwube okwu gị atụla ilu, sị ya ọ gaba ije ya elele anya n'azụ. A naghị amacha ihe amacha o ji bụrụ na a kọọrọ onye ụlọ, ọ na-ekwe n'isi mana a kọọrọ onye ọbịa ọ na-agba n'aka n'ihi na onye njenje na-amakarị onye isiawọ ihe. Site n'edemede a, a ga-emepe anya ọtụtụ ndị mmadụ ma mekwa ka amamihe ha bawanye n'ụzọ pụrụ iche n'ihe gbasara ilu Igbo. Ọ ga-enyekwa aka iwulite, ichekwaba na ịgbasa omenala Igbo n'ihi na asụsụ bụ ndụ mba. Ilu Igbo bụ Igbo, Igbo bụkwazị ilu, ha abụọ bụ a hụghị ebuna ma sị e lina dike.*

**Okwu Mmalite**
Ọ bụrụ na a chụọ aja ma a hụghị udele mara na ihe mere be ndị mmụọ, ya bụ na onye ọbụla kpọrọ onwe ya ezigbo nwaafọ Igbo maọbụ odee n'asụsụ Igbo ma ọ maghị atụ ilu Igbo maọbụ na-ewebata ya n'ededmede ya mara na okwu ya maọbụ ededmede ya ahụ ga-ada ịfọkwa ịfọkwa.

Ilu bụ ụmụ kịrịkịrị nkwenye na okwu ndị ahụ a maara amara na-adịkarị n'ụdị ahịrịokwu. A na-ejikarị ha akọwapụta ihe ebunuche. N'ezie, ọ dị mkpa ịma ihe banyere ilu maka na ọ na-ewulite ịsụ asụsụ na ezi mmekọrịta. N'aka nke ọzọ, a hụtakwara ilu dịka okwu dị iche iche mmadụ na-ekwu. Ilu na-enye ezi ndụmọdụ na-enyere ndụ mmadụ aka. Asụsụ na omenala ọbụla nwere ilu nke ha. Ụfọdụ ilu na-emetụta nkwenye na ọdịnala ndị mmadụ nwere n'otu ebe. Ilu bụ okwu ọdịnala nke na-egosipụta ihe a maara maọbụ e kwekọrịtara bụ eziokwu. Na nkọwa Udemmadụ (2021:29) ezigbo onye Igbo ọbụla chọrọ ikwu okwu ọkachasị ndị okenye na-eji ilu ekwu okwu. Ihe na-eme ka odee bụrụ ọkaibe n'edemede ya bụ ka o siri webata ilu Igbo n'ebe ọ dabara n'edemede ya.

Ilu bụ okwu amamihe ndị Igbo ji ekwu okwu ọkachasị ndị okenye nke ofeke (onye obere uche) agaghị ama ihe a na-ekwu maka ya, ọ bụ ya ka e ji sị na "ilu bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu". Ndị Igbo ji ilu ekwupụta ihe ha achọghị ikwu otu o siri dị kpọmkwem. Okwu ilu abụghị nke mpụtara ya na-adị mfe ịmata n'ihi na mkpụrụ okwu e jiri mebe ya na-adi iche n'echiche ọ na-ezipụta. Ilu sokwa n'otu n'ime atụmatụ okwu e ji achọ okwu maọbụ edemede mma ma na-emekwa ka okwu maọbụ edemede dị ụtọ na ntị mgbe a na-ekwu ya maọbụ na-agụ ya.
Ọ bụ ezie na ilu na-adị nke nke, mana echiche na nghọta dị na ya na-emi emi nke ukwuu. O sokwa n'otu asụsụ nka ndị odee ji eme ka edemede ha bụrụ ọkaibe ma bụrụkwa kpoo na oyoyo n'etiti edemede ndị

ọzọ. Igbo na-asụ n'olu n'olu mana ha kwaa ụkwara, ọ bụrụ otu, ya mere n'agbanyeghi na e nwere olundị dị iche iche na asụsụ Igbo, otu ihe jikọrọ ha niile ọnụ bụ ilu.

Edemede a ga-eleba anya n'isiokwu na-asị: ilu Igbo n'ọnọdụ dị iche iche na nkọwa ya. Nke a ga-enye aka ichetara, tutegharịa ma kpọghachitekwa mmuọ ndị Igbo n'asụsụ nka e jiri mara ha maka na onye kpọọ ọba ya ọkpọkọrọ, agbata obi ewere ya kpoo ahịhịa.

**Nkọwa Ilu**

Ilu bụ enyo e si na ya ahụ amamihe mmadụ. Ọ bụ ahịrịokwu nke mkpụrụokwu e ji mee ya dị iche n'echiche ọ na-ezipụta. Okoli (2021:111) kọwara ilu dika okwu amamihe na-adị omimi nke na-ezipụta echiche na nkwenye ndị Igbo banyere usoro obibi ndụ ha. Ọ bụ ahịrịokwu juputara n'amamihe nke chọrọ echiche miri emi maka nghọta ya.

Okafor (2008:322) kwuru na ilu bụ okwu amamihe chọrọ echiche miri emi maka nghọta ya. O bụ ahịrịokwu nke nwere echiche dị omimi na-agba onye obere uche gharị ma na-acha onye amamihe abụghị onye Igbo baa.

Ilechukwu (2021:222) kọwara ilu dika okwu amamihe nke na-adịkwa omimi nke a na-echemi echiche ime tupu aghota ya.

**Ilu Igbo N'ọnọdụ Dị Iche Iche Na Nkọwa Ya.**

N'ebe a, e gosipụtara ilu n'ọnọdụ dị iche iche na nkọwa ya maka na ilu dịka enyo e si na ya ahụ amamihe mmadụ. Ọ bụkwa ihe e ji ekwupụta ihe mmadụ achọghị ikwu otu o siri dị kpọkwem. Nkọwa ilu ndị a ga-enyere ndị odee na ndị ọgụụ aka ịchọpụta ilu dabara adaba iji kwuo okwu maọbụ dee ihe n'ọnọdụ ọbụla.

**Ilu Maka Ndụmọdụ Na Ezi Omume**

Ilu ndị a bụ ilu ndị e ji enye mmadụ ndụmọdụ di iche iche nke kwesịrị ka e si na ha mụrụ akọ

1. Dibịa asị anaghị eje otu mba ugboro abụọ.
   Nkọwa: Mmadụ anaghị akpacha anya agaghachi n'obodo maọbụ ebe o mere mpụ.
1. Ọ bụ otu onye dị ka mmanwụ ya na-adị.
   Nkọwa: O bụ ihe onye na-eme n'ụlọ ka ọ na-eme n'ụzọ.
2. Nwa egbe na-agbasa ọdụ ka udele, ọ ga-emekwa ka udele si eme?
   Nkọwa: Mee ihe ka ike gị ha, emela maka na ibe gị na-eme.
3. Ihe niile mechaa ogori ma di ya anwụla.
   Nkọwa: Emela mmadụ ibe gị ihe ga-eru ya n'ọkpụkpụ maọbụ ihe ga-egbu mmụọ ya, nke ga-abụ oge ọbụla o chetara ya , ọ kwaa akwa arịrị.
4. Oke nkịta ji isi anya ọkụ marakwa na ajị dị ya n'isi.
   Nkọwa: Onye na-eme ihe ọjọọ marakwa na ọ ga-anata ụgwọ ọrụ ya.
5. Dimkpa adịghị eje mgbaru okenye ihere gburu.
   Nkọwa: Emela ihe ga-abụ nwanwa tote, o tokwuru, ihe akụkọ ga-abụ onye nụ, ọ gbụpụ asọ, maka na okeke nwaanyị dị ntị njọ.
6. Ọnya dị n'obi mana ọ bụ ọnụ ka e ji emeka ya.
   Nkọwa: Tupu ikwuo okwu n'ebe mmadụ ibe gị nọ, tulee ya ihu na azụ mara otu ọ ga-esi dị ya n'obi. Akọla mmadụ ibe gị ọnụ ga-eru ya n'ụmị.
7. Ọ bụghị oke ọkpa kwacha, ọ sị ibe ya akwala.
   Nkọwa: Gosi mmadụ ibe gị ụzọ dịka e si gosi gị na mbụ, abụla onye mgbachi nye onye ọzọ.
8. Nwanne onye na-agba ajọ egwu, ọkọ iku ana-akọ ya.
   Nkọwa: Ọ na-abụ oke ihe mwute n'ebe ikwu na ibe nọ ihụ onye nke ha ka ọ na-akpa agwa ọjọọ.
9. E ji anya ama onye ga-amara nna ya ehi.
   Nkọwa: Okwu mmadụ, nzọ ụkwụ ya na olile anya ya na ụdị nkata ọ na-akpa na-egosi ihe ọ ga-abụ n'ọdịniihu.
10. Anya pịara nwata anaghị ahụzị ụzọ ọzọ.
    Nkọwa: Onye echekwaghị ihe o nwere nke ọma, ọ ga-esi ike inweta ya ọzọ ma o funarị ya.
11. Agadi nwaanyị na-ete ogiri na-arịọ ijiji mgba.

Nkọwa: Onye na-eme ajọ ihe bụ onwe ya ka ọ na-egbu n'ihi na ọ nọ n'agbata ọnwụ na ndụ.

12. Nwaanyị na-ahụrị ji ụtụtụ amaghị na ji ga- agwụ agwụ mana ụtụtụ ga-afọdụ.
    Nkọwa: E jila akụ nke ụwa eme ọnụ maka ma akụ nke ụwa ga-agwụ agwụ mana ihụnanya na eziomume mmadụ ga-adịgide.
13. Ebe nwata na-apata ozu nchi ka a na-apatakwa ozu ya.
    Nkọwa: Chee echiche nke ọma tupu ịmalite ime ihe ọbụla n'ụwa.
14. Ọhịa e butere ozu nza naabọ, ihe na-egbu nza nọ na ya.
    Nkọwa: Ihe mee mbụ mee abụọ, e nyowe ihe ahụ enyo.
15. Anụ fee elu fee ala, onye nọ n'ala ga-ahụrịrị okpuru ya.
    Nkọwa: Onye na-eme ihe chee na mmadụ agaghị achọpụta bụ onwe ya ka ọ na-aghọgbu maka na ọ dịghị ihe ọbụla e zoro ezo n'okpuru anyanwụ.
16. O bite ọ kwụọ mere ka o bite ọzọ.
    Nkọwa: Mmadụ meere gị ihe ọma, kelee ya ka o wee mekwara gị ọzọ mgbe ọ dị na mkpa.
17. A gaghị m eji na nwanne nna m na-achọ ịba na mmanwụ wee tipụrụ ya mmanwụ.
    Nkọwa: E jila maka ihe isi ike wee manye aka n'ihe ga-ewetara gị ọdachi maọbụ ihe ịkwa ngana m mara.
18. A na-ekworo maka onye otule ọjọọ wee wọọ onye otule ọma oche.
    Nkọwa: Ajọ agwa mmadụ na-akpa nwere ike iwetere ezinaụlọ maọbụ obodo ya ihe ọdachi maọbụ ajọ aha.
19. Nnụnụ nwere ụlọ nkwa, nku anaghị ero ya.
    Nkọwa: Onye nwere agwa ọma na-anatakarị ihu oma n'aka ndị mmadụ.

**Ilu Maka Udo Na Ihụnanya**

1. Ibi sị onye ya bịara be ya sachie ya akwa n'ihi na ya gafere ọtụtụ ụlọ wee bata.
   Nkọwa: Gbasapụ aka nabata onye ọbịa mgbe ọbụla ọ bịara n'ụlọ gị.
2. A chịa ọchị wee gbuo mma, ọ dịka ọ naghị eru n'ọkpụkpụ.
   Nkọwa: Hụ mmadụ ibe gị n'anya, ka ụwa dịịrị gị mma maka na ụwa achọghị ndọkasị ndọkasị.
3. Akụ naabọ bụ nwanne mana ichere dị etiti ha.
   Nkọwa: Onye ọbụla nọ n'ụwa nwere akaraka nke ya nke mere o ji di iche n'ebe ndị ọzọ nọ.
4. Ogbu opi na-echicha imi.
   Nkọwa: Onye rụrụ ọrụ dị mma kwesịrị ka e lee ya ọrụ.
5. A tụsịwa ajị dị n'akwa, onye ma akwa agbara ọtọ.
   Nkọwa: Ịtaba mmadụ ụta, atagbula ya maka na o nweghị onye n'enweghị ntụpọ.
6. Enyi mara ihe enyi ya maara, ha abụọ agaba ebe ha chọrọ ịga n'obi ọma.
   Nkọwa: Otu obi ka e ji ebi n'ezinaụlọ ihe ewee na-aga nke ọma.
7. Awọ adịghị mma ịkpọ awọ ibe ya wọkọm.
   Nkọwa: Tupu I kwutọọ mmadụ ibe gị, lezie agwa gị anya nke ọma.
8. Onye hụrụ ọkụkọ ji ụkwụ agbasa nsị chụpụ ya maka na ọ maghị onye ga-ata ụkwụ ya.
   Nkọwa: Onye hụrụ nwata ebe ọ na-eme ihe adịghị mma dụọ ya ọdụ maka na o nweghị onye mara ihe echi ga-abụ.
9. Echefula ọhịa chere gị n'afọ ọjọọ.
   Nkọwa: Mgbe ihe dịịrị gị mma, chetakwa ndị nyeere gị aka n'oge ị nọ na nsogbu.
10. Iwe nwanne anaghị eru n'ọkpụkpụ.
    Nkọwa: Gbaghara onye mejọrọ gị maka na o nweghị onye dị mma n'azụ.
11. A naghị egbu dibịa maka na onye ọ na-agwọ nwụrụ.
    Nkọwa: Nwee obi ebere n'ebe mmadụ ibe gị nọ mgbe o mejọrọ gị n'amaghị ama.
12. Ụtọ anụghị ụka, o kwee izu.
    Nkọwa: Ebe ihụnanya dị, ebe ahụ ka udo na-adị, mana asịrị na-emebi ụtọ nwanne na nwanne.
13. E megbuchaa nwa nkwụ, ụbọchị igu e cheta ya.
    Nkọwa: Onye ị na-eleda anya taa nwere ike bụrụ ya ga-enyere gị aka n'ọdịnihu.
14. E ribe ka a ha lọta ọrụ agụụ agụgbuo ụmụaka.
    Nkọwa: E jila ihe i nwere eme ọnụ kama were ya mee ọgọ ka e wee gọọrọ gị ọfọ dị ire.
15. E too dike na nke o mere, o mee nke ka nke.

Nkọwa: Ịgba mmadụ ume n'ụzọ dị iche iche dị mma maka na nke a ga-eme ka o mere ihe ọma gaa n'ihu.

16. Kama ite mmanya ga-esere ọgọ na ọgọ okwu ka ọ kụwaa n'ụzọ.
Nkọwa: Ihe na-ewete esemokwu n'etiti ụmụnne ka mma ka ihe ahụ jiri aka ya mebie.
17. Ụkwụ ọkụkọ zọrọ nwa ya anaghị egbu ya.
Nkọwa: Ụtarị nne na nna na-apịa nwa ha abụghị mmegide kama ọ bụ maka ọdịmma ya.
18. Onye iro gbuo atụ, a sị na o gburu atụrụ.
Nkọwa: A kọchala mmadụ ibe gị maka na ihe na-agara ya nke ọma.
19. Ọ bụ egwu na amụ ka e ji achụ oke.
Nkọwa: Okwu ọma/ire ọma ka e ji anata mmadụ ihe.
20. Onye m sị ka anyị chụa nta sị na mụ na-esi mmụọ mmụọ.
Nkọwa: A gbala enyi gị mgba okpuru maka na iwe dị n'obi ma ọchị dị n'eze adịghị mma.

**Ilu Maka Ịlụsi Ọrụ Ike, Ime Ihe N'usoro Nakwa Ime Ihe N'oge**

1. Ụkwa gbara apịtị na-eri ihe dị ya mma.
Nkọwa: Onye rụọ ọrụ ya nke ọma, o rie uru so ya.
2. Agba anaghị ezu ike ma ihe a kpụ n'ọnụ agwụghị.
Nkọwa: Nsogbu dapụtara mmadụ, ụra a pụọ ya n'anya.
3. E buru ọnụ na-eti ịgba, ọ na-ada ike ọgwụgwụ ike ọgwụgwụ.
Nkọwa: Onye na-arụ ọrụ ga-eriju afọ ka o wee hụ ike o ji arụ ọrụ.
4. Ọja anaghị akpọ onye mkpụmkpụ na nkịtị.
Nkọwa: Ọ bụ ihe mmadụ na-eme ka e ji mara ya.
5. Okokporo sị na ahịa ekwoghị ekwo, ọ sịrị na ụmụ ya dị ole n'ahịa ahụ.
Nkọwa: A nọla na nkwutọ, tinye aka n'ọrụ ka ihe wee na-aga nke ọma.
6. A naghị edobe otule otu ebe wee na-aza iro.
Nkọwa: Onye chọrọ inyere onwe ya aka ka o wee baa uru na ndụ a anaghị anọ otu ebe, kama ọ ga na-agba mbọ n'ụzọ dị iche iche.
7. Ọ bụ onye a na-akpụrụ ụtara nwe iwelite olu.
Nkọwa: Onye ihe dị mkpa na-agba mbọ iji hụ ma o nwetere ihe ọ na-achọ
8. E jide ọji n'aka kwaa ụkwara, ndị mmụọ egebe ntị.
Nkọwa: E mee ihe n'usoro otu e si eme ya, ihe niile a gaa nke ọma.
9. Ụtụtụ a kpụrụ ite ka a na-ebipu ya ọnụ.
Nkọwa: Onye mụtara nwa na-akpa ajọ agwa bido n'oge dụba ya ọdụ ka ọ ghara ịla n'iyi.
10. E gbuo anụ ma agwaghị mma, ọ bụ ikpere ụkwụ ka a ga-eji bọọ ya?
Nkọwa: Ihe ọbụla nwere onye na-anọ n'isi ya.
11. Onye afọ na-asa amaghị ajọ ọhịa.
Nkọwa: Onye mkpa ji amaghị ihere.
12. Ikwe buru nri, ọ gbakụta ala azụ.
Nkọwa: Onye akpịrị adịghị enye mmadụ ihe oriri.
13. Nwata kpata akụ, okenye ejegbuo onwe ya n'ozi.
Nkọwa: Uru dị n'aka nwata, okenye erubere ya isi.
14. Ọkụkọ hapụ kwọm kwọm, ọ ga-eji gini zụ ụmụ?
Nkọwa: Mmadụ kwesịrị ịdị uchu n'ihe ọbụla ọ na-eme.
15. Aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ.
Nkọwa: Onye rụọ ọrụ, o rijuo afọ.
16. A lụọ n'anwụ, e rie na ndo.
Nkọwa: Onye gbaa mbọ nke ọma, o rie uru so ya.

**Ilu Maka Ịkpachapụ Anya Na Ịdị Nkwadobe**

1. Onye na-ekwere onye ara egwu bụkwazị onye ara.
Nkọwa: Onye ohi na onye na-edokwa ihe e zutere n'ohi bụ otu.
2. Gbanụ gbanụ gwujie ji e tukwuru ala gwupụta ya.
Nkọwa: Nwayọ nwayọ ka e ji eso ụwa, a naghị eso ụwa n'ike.
3. A naghị agba ọgụ nwa maka na ike dị.
Nkọwa: Mmadụ na-eme ihe maka na ọ dị mkpa, ọ bụghị maka na ibe ya mere.

4. Dibịa gwọrọ ọzọ mana ọzọ gburu dibịa.
   Nkọwa: Mmadụ anaghị amachasị ihe niile.
5. Nkịta nọrọ n'uche, ọ dị ka ọ nọ n'ụra.
   Nkọwa: Dike emeghị ka o si eme ma mbụ ọ di ka ike agwụla ya.
6. Nwa agbọghọ anaghị ama ọnwụ di.
   Nkọwa: Mmadụ anaghị aghọtacha ihe ọ nọghị n'ime ya.
7. Ofeke anaghị akpata ahịhịa ọgwụ na mbara ezi oke dibịa.
   Nkọwa: Na mmadụ ana-ekoka maobụ na okwu ya anaghị ekwe okwukwu bụ maka na ọ hụbeghị onye ka ya ike.
8. Akpịrị gụ onye gburu ọchụ, onye ga-ekwuru ya?
   Nkọwa: Onye ekwughị na ya nọ, ọ bụ onye ga-ama na ọ nọ?
9. A naghị eto mkpụrụ osisi n'arachaghị mkpụrụ ya.
   Nkọwa: Ị gaghị amatacha mmadụ nke ọma belụsọ mgbe gị na ya mekọrọ ihe.
10. Onye rịrị elu ọjị kpaa ya nkụ maka na a naghị arị elu ojị kwa oge.
    Nkọwa: Onye hụrụ onwe ya n'ọnọdụ dị mma were ya mepụta ihe bara uru maka ọ naghị adị oge niile.
11. Were rie bụ n'afọ, wet adobe bụkwa n'afọ.
    Nkọwa: Ihe e nyere nwoke maọbụ nwunye ya bụ ha abụọ nwe ya.
12. Mmadụ anaghị akpọ oriri ebe nna ya ji ụgwọ.
    Nkọwa: Mmadụ kwesịrị ibụ ụzọ mee ihe ka mkpa.
13. Onye ume nwa na-eme na-abụ nwa ya rahụ ụra, ọ na-asaghe ya anya.
    Nkọwa: Onye nwere otu ihe na-eke nkwụcha ma na-echekwaba ya nke ọma.
14. Onye nyochaba ihe dị n'apata ụkwụ ya, ọ kụọ isi n'ala,
    Nkọwa: Onye na-achọ ka ọ hụtachaa ihe niile na-adaba na nsogbu.
15. Nwaanyị sibe egheghị eghe, onye ọbia anọba alaghị ala.
    Nkọwa: Wepụ aghụghọ mgbe gị na mmadụ na-emekọ ihe maka na ọ makwa ihe ima.
16. A naghị ekunyere oke nkịta abụọ mmiri n'otu eju.
    Nkọwa: Mmadụ na onye iro ya anaghị emekọ ihe ọbụla.
17. E sobe ka ọkọ si atọ, a kọbaa ike.
    Nkọwa: Ihe ọbụla nwere oke/Mmadụ kwesịrị imere ihe n'oke.
18. O tu aka ha nwaanyị ka ọ na-atụkwasị di ya.
    Nkọwa: Mmadụ na-eme ihe otu ike ha ya.
19. Onye na-achọ ịhụ eze agadi nwaanyị na-enye ya mmanya gbara ụka.
    Nkọwa: Onye na-achọ inweta mmadụ n'ebe ọ dị ala na-ekwere ya ọnya gburugburu.
20. Akụ bịa ala nta, ọ pụọ ha ara.
    Nkọwa: Onye n'amaghị na ya ga-emekata nweta ihe na-abụ o nweta ihe ahụ, ọ na-eme ya n'anya ka mmanya.
21. A dị abụọ nwere atụrụ ma ọsọganagana bụ onye nke atọ.
    Nkọwa: A naghị eji ihe ụwa n'aka maka na ihe ọdachi nwere ike ịdapụta mgbe ọbụla.
22. Onye dara ada n'ikpo akụ ghara ịchịta akụ, ọ bụzị na mkpa akụ ka ọ ga-achịta?
    Nkọwa: Mee ihe ikwesịrị ime n'oge i nwere ike na ume ndụ tupu imee agadi mgbe ike agaghị adịkwa gị ime ihe ọbụla.
23. Nkịta na-ata arụ anaghị agbọ oke ụja.
    Nkọwa: Ihe nwoke ga-eme dị ya n'obi.
24. Onye akwa dị mkpa anaghị achọ oche.
    Nkọwa: Onye ezigbo mkpa dịrị anaghị ahapụ ya kọba ogologo akụkọ n'enwetaghị ihe ọ na-achọ.
25. Akwa ọkụkọ tiwaa akụ, ihere emee mkpume.
    Nkọwa: A bụla mmadụ n'ọnụ gbaa mbọ ka i soro ọgbọ gị mepụta ihe.

**Ilu Maka Ndidi Na Akara Aka**

1. Nwata na-ebe akwa na nne ya alọtaghị ahịa n'oge, kedụzị maka ndị nne ha nwụrụ anwụ?
   Nkọwa: Ihe onye nwere ya ju ya afọ maka na o nweghi onye ụwa zuuru oke.
2. Ọhịa wọrọ nwata nkụ sị ya gbatịa olu.
   Nkọwa: Ọnwụnwa na nsogbu na-abịa na ndụ mmadụ nwere nnukwu ihe mmụta dị na ya.
3. Kama mmadụ ga-ekpu isi, ka ọ kwaa mkpumkpu.

Nkọwa: Onye dị ndụ ga-enweriri ihe ọ ga-eme karịa onye nwụrụ anwụ.

4. Nwaanyị kọchaa ka ya na di ya si jetabe, ọ gbaa ama ndị mmụọ.
   Nkọwa: Nsogbu dakwasị gị, were ndidi digbuo ya  maka na mmadụ anaghị akọcha ihe ọ na-ahụ n'ụwa.
5. Chukwu gosiri nwata ji n'ọhịa ga-enye ya mbazụ ọ ga-eji gwupụta ya.
   Nkọwa: Ndụ bụ isi maka na onye chi ya dobere ndụ ga-ewetakwa ihe e ji azụ ndụ.
6. Agadi nwanyị oyi na-atụ, ọ nyaghị ọkụ ọ nyaa anwụ.
   Nkọwa: Ihe ọbụla e chere na a hụghị otu a ga-esi mee ya, e mechaa, a ga-ahụrịrị ihe e mere ya/ O nweghị ihe ọbụla mere n'ụwa a ga-asị na a hụbeghị atụ ya mbụ maọbụ na a maghị otu a ga-esi mee ya.
7. Egbe ebughị nwa ọkụkọ, e mesịa ọ kwaa akwa.
   Nkọwa: Onye dị ndụ nwere olile anya, emesịa, ọ ga-adị mma.
8. Ụbọchị onye isi ike na-achọ nwaanyị ka ndị ara na-achọ di.
   Nkọwa: Ihe ndị ọzọ na-eme, ọ gaziere ha ka onye chi ọjọọ na-eme, ọ gaghị aga-aga.
9. Ụbịam anaghị eru n'anwụrụ ọkụ
   Nkọwa: Otu ihe adịla, o nwere ihe n'enweghị ike ịnyị mmadụ maọbụ kọọ mmadụ.
10. Anya kpọọ, ike elebe ihe anya na-ele.
    Nkọwa: Ihe nyịrị mmadụ nnwete n'ụwa, nwa ya nwere ike inweta ya ma nwa ya enwetaghị ya, ikwu na ibe ya maọbụ enyi ya enweta ya.
11. Onye afa chụrụ n'ojije, ọ naghị achụ ya n'ụla.
    Nkọwa: Onye ọbụla nwere nke ọ dị mma na ya, ọ bụrụ na ị maghị ka e si eme nke a, ị ga-ama ka e si eme nke ọzọ.
12. Onye ga-alụ nwaanyị ga-ebu ụzọ zụba ezinaụlọ.
    Nkọwa: A na-ebugodu ụzọ mee ihe dị nta tupụ emewe nke ukwu.
13. Ahịa zụchaa, udele  enwere ọdụ.
    Nkọwa: Mee elu mee ala, onye nwe ihe nwe ihe ya.
14. E jighị ụtụtụ ama njọ ahịa.
    Nkọwa: O tee aka ka ọ dị njọ, emechaa, ọ ga-adị mma.
15. Ọnwụ bata n'ebo ọ dịka ha emere arụ.
    Nkọwa: Ihe ike dakwasị mmadụ ọ dị ya ka ụwa ya agwụla.
16. Ntukwu na-agụ ngwere mana ọdụ ekweghị ya.
    Nkọwa: Ọgaranya na-agụ ogbenye mana ụbịam ekweghị ya.
17. Mgbu abụọ ka a na-egbu anụ nke atọ a gaa n'ite ofe.
    Nkọwa: Ihe ọbụla nwere njedebe ya.
18. Ọkwọ m n'azụ ma ụkwụ na-akpụ n'ala ya hapụ m ka m were ụkwụ m gawa.
    Nkọwa: Onye na-enyere m aka ma na-esogbu m ya hapụ enyem aka  ahụ.
19. Akọkata ọkọ amụ(penis) a chịpụta ya n'ọha.
    Nkọwa: E zokata ihe o nyebe nsogbu, a gbaa ya n'anwụ.
20. Ihe ji okokporo alụghị nwaanyị ji onye lụrụ nwaanyị alụtaghị ụlọ.
    Nkọwa: Mkpa ego ji onye dịka ihe ọ na-elegara anya siri dị.

**Ilu Maka Iji Ọfọ**

1. A kpapuo onye ibi n'ike (forcefully) ọ nwụọ n'ụlọ.
   Nkọwa: Nwayọ nwayọ ka e ji eso ọnọdụ siri ike.
2. A nyụsị ma nsị ma a kapịghị ya ọnụ ọ dịka otolo.
   Nkọwa: Okwu ọbụla kwesịrị inwe nchịkọ.
3. Ọkụkọ abụke gbasịa aja, o were isi ya buru.
   Nkọwa: Onye ọjọọ mesịa ihe ọjọọ, ọ bịaghachiri ya.
4. Ehi ma ụma eso onye kpụ ya.
   Nkọwa: Onye ukwu kpacha anya erube isi.
5. Onye otu anya bịara lee ihe dị n'ụlọ, pụọ bịa lekwa ya ọzọ sị ka ọ bụrụ anya abụọ hụrụ ya.
   Nkọwa: Ama mmadụ abụọ ka mma.
6. Ewu taa igu ma ya ekpela ekwere.
   Nkọwa: Mmadụ emebigala ihe oke/ Mmadụ kwesịrị imere ihe n'oke.

7. Ọgaranya jere mba anụ juru akpa ya ọ bụ ndị o nyere nyekwara ya.
   Nkọwa: Onye na-enye ka a na-enye.
8. Kama ụsụ mara n'ọnya m ga-atagbu m, ya felaga.
   Nkọwa: Kama ọgọ mmadụ na-eme ga-egbu ya, ọ kwụsị ime ọgọ.
9. Onye tawara m arụ n'isi asọghị ntutu, m tawa ya n'ike, agaghị m asọ nsị.
   Nkọwa: Onye mewere mmadụ ihe n'emeghị ebere, ụbọchị ọ ga-adaba n'aka ya, ọ gaghị echeta nke ya.
10. Ọhịa na-asọ nkata, ya epukwala ero.
    Nkọwa: Onye na-asọ ihe ọjọọ, ya emekwala ihe ọjọọ.
11. Osisi hụrụ m na-atụ nkwe, ikuku majie ya onu.
    Nkọwa: Onye na-echere m echiche ọjọọ buru ụzọ zute ihe ọjọọ ọ na-eche.
12. Ọfọ ka ide ji awa ala.
    Nkọwa: Nwayọ ka e ji eme ihe siri ike.
13. Ezue ezue kwaba nwa mere arụ n'olulu, ọ gaghị awa n'afa.
    Nkọwa: E nwee nkwekọrịta n'okwu, ọ gaghị ebute ọgbagara.
14. Anụ gbalaa taa, echi bụ nta.
    Nkọwa: Ihe e meghị taa, a ga-eme ya echi.
15. Onye aghụghọ ghọkata, nkata ekpudo ya.
    Nkọwa: Onye na-eme ihe ọjọọ na-adanye n'ime ya.

**Nchịkọta Na Mmechi**

Asụsụ ọbụla nwere nka e jiri mara ya nke mere o ji bụrụ ọka ibe n'asụsụ ndị ọzọ. Edemede a lebara anya n'ilu Igbo n'ọnọdụ dị iche iche na nkọwa ha. E ji ilu egosipụta odee mara ihe ekwe na-akụ n'asụsụ Igbo n'ihi na a tụrụ anya na odee ọbụla ga-ewebata ilu n'edemede ya ga-eme nke a n'ebe ọ dabara adaba iji zipụta echiche miri emi n'ihe ọ na-ede.

Oge ụfọdụ a na-eme nnyocha agụmagụ, a na-achọpụta na o nwere ndị odee ụfọdụ na-ewebata ilu n'agbanyeghị na ọ dabara n'ebe e webatara ya maọbụ na ọ dabaghị, site na nchọcha e mere banyere isiokwu a, otu n'ihe ga-eme ka mmadụ bụrụ ọkaibe n'asụsụ Igbo bụ ka o si atụ ilu na ka ilu ahu siri daba n'ihe ọ na-ekwu maka ya ghara ịtụ ilu ọbula masịrị ka ọ bụrụ ọ na-atụ ilu.

Edemede a ga-enyekwa aka ime ka amamihe ndị mmadụ bawanye n'ihi na ilu Igbo anaghị adị mfe na nghọta. Ọ ga-enyekwa aka iwulite na ichekwaba omenala Igbo n'ihi na asụsụ bụ omenela ma bụrụkwa ndụ mba.

**Alo**

Iji hụ na ilu Igbo gbasara gaa n'ihu, a ga-agba mbọ hụ na asụsụ Igbo ga-esorịrị n'otu n'ime ule nwaakwụkwọ ọbụla ga-agafe tupu ọ gaa klaasị ọzọ. A bịa n'ụlọ akwụkwọ mahadum, a ga-eme ka o soro n'otu n'ime amụmamụ ozuruọha nke a kpọrọ 'General Studies' na Bekee. Ụmụakwụkwọ ga-esite n'ụzọ dị otu a chọpụta, ghọta ma mara ilu dị iche iche na n'ọnọdụ e ji atụ ha dịka a na-akụzi ha n'ụlọakwụkwọ maọbụ na-agụta ha n'agụmagụ ederede n'ụdị ejije, abụ na akụkọ. A ga-esitekwa n'ụzọ dị otu a mee ka amamihe ha bawanye. Ndị nne na nna ga-agbakwa mbọ hụ na asụsụ Igbo bụ ihe ha jị akpakọrịta nkata n'ezinaụlọ ha, nke a ga-eme ka ụmụaka nwee mmasị n'asụsụ Igbo ma mekwa ka nkuzi na mmụta ilu Igbo dị mfe.

**Edensibịa**


Ilechukwu D.I (2021) *Mkpokọta Asụsụ Igbo Maka Juniọ Sekọndịrị;* Nnewi: Alive Unto God Press.

Ilechukwu D.I (2020) *Mkokọta Ụtọasụsụ, Edemede, Agụmagụ na Omenala Igbo Mka Wayekị na NECO;* Divine Printing and Publishing.

Ndupu B.U (2021) *Ilu Igbo, Mmanụ Ndị Igbo ji Eri Okwu;* Oko: Lampada Press.

Obidiebube J.I (2011) *Amụmamụ Ozuruọha Igbo 2;* Nsugbe: Klaax Limited.

Okafo C (2009) *Amamihe n'Ilu Igbo;* Onitsha: Auschaki Pulishers.

Okafo C.U (2008*) Nhazi Asụsụ Igbo;*Onitsha: AC Global Pubishers.

Osuji M.U (2014) *Igbo Juniọ Sekọndịrị n'Usoro Bezik Edukeshọn;* Onitsha: Elites' Commercial Agency.

Okoli R.U (2021) *Ụtọasụsụ na Omenala Maka Juniọ Sekọndịrị;* Nnewi: Witty World Production.
Udemmadu I. (2021) *Ọmụmụ Agụmagụ Na Omenala Igbo;* Awka: FAB ANIEH NIG. LTD.